Richard Berengarten ntụgharị nke si n'aka / translated by Obododimma Oha

# Mmemme Volta

*…ugbua itiri gbara…*

Anyanwụ eze elu, okpogho kacha ibe, chawapụta agbọmma
Mgbe I metụrụ m aka ka anụnụahụ m gbanwere
ọkpụkpụ mgbado azụ oziga ozi, ahụ m maa jijiji
Olaedo I na-ehusa n'osomiri na-amụke,
Chachisie m anya
Ebe a ka ụlọ na ụzọama gụzobu – ha gụzokwa dị ka m siri chee –
Nke obodo ozo nwe
N'abụghị nke a aka gị gbanwerela

N'ikpere mmiri ka anyị na-akpa.
ụgbọ ndi ọkụazụ abalị nozi na-achọ ibilite ọrụ,
ụzụ njini na-akpọtụ, ọkụ mpanaka ha na-enwu n'isi ụgbọ
Obodo niile apụtakwala maka mmemme,
Iko onye-na-onye nkonye aka, ụmụokoro ana-atụ anyaka ije
Nne na nna, ụmụaka na-arachakwa otite aisikrim
Ndi ikom agadi na-elere anya ebe ha nọ n'agịga ụlọ
Ugwu gbara itiri na-abiaketa nso, ka ụmụanụ nwere mmasị

Nchake eluigwe nke uhuruchi ọma, gaa rute n'ugwu na mbala,
Dị ka ntụmade, aka gị na-emetụ nke m ugbua,
Dị ka mmetụ ahụ nke nwaagbọghọ so m aga
Ukwu ya dere ma na-ete, nwaayọ-bụ-ije
Ntutu isi gbatịa hufere azụ, olu ọma na ubu
Nke ọkọchi chọrọ mma, anya ọtangele bụ sọ naanị ọchị
Ife dị amụma, a ñụdala m gị, ka egwu na mmanya
Dị ka ndi nnanna ya siri ñụa gị ọtụtụ afọ gara aga.

Obodo nro, Elefeteriya bụ aha ya,
Ma ọbụnadị na apụpa I bu bụ igherighe uzuzu n'anya ya,
Mana ugbua ife na nchawa ya
Na-akpa agwa n'ihu ya dị ka uri mọọbụ ekwurekwu
ọ bụ oke ya site na mgbe ochie ịga n'agịga ose
Dị ka aka ji ọnọdụ na onye nchedo ife
Site n'imeime anya ya were ya,
Oke ya, nke pụrụ iche, bụ ịzọ gị ụkwụ ka ọgba egwu.

Uhuruchi ọmasịrị m, ife dịrịla nnụkwuru nnụ afọ,
ọgụegwu olu ya bụ ogene, ọmarịcha dị ka ogori a,
Gini kpataziri na m agaghị egbuchapụrụ ebube

I na-enye obodo a na ndi bi n'ime ya, ọkpụụ
Nke na-ahazi ihe niile o metụrụ, ụwa a niile?
A bụrụla m ohu gi, ma ọ bụrụ na abụghị m nwaafọ gị.
Dị ka o si agụ m ka m ñụa gị n'uju, aga m ejiri
Ebube gbajuo oghere anụahụ niile, nke inwere onwe ya.

---

Richard Berengarten ntụgharị nke si n'aka / translated by Obododimma Oha

---